# NWA-ATỤRỤ CHINEKE
## Nkpughe 5:1-14.
### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 461 - Nke NdỊetiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ hu jisọs ka Ọ nābiakute ya, ọ we si, Le, Nwa-aturu Chineke, Nke nēbupu nmehie nke uwa" (Jọn 1:29).**

**Nwa-atụrụ Chineke**

N'ezie, Kraist ghọrọ "Nwa-atụrụ Chineke" mgbe Ọ nwụrụ n'elu obe. A rọpụtawo Ya ịbụ "Nwa-atụrụ" site na ntọala nke ụwa.

Mmehie mmadụ dịrịị, ọ ka na-adị kwa rị, bụ̀ nke dị oké njọ na ọ bụ nááný ọnwụ Ọkpara Chineke na Kalvari pụrụ ịgbapụta mkpụrụobi furu efu. A wụsịrị Ọbara Ya ịsachapụ mmehie ndị ahụ chegharịrị n'ezie."N'ihi na egburu Gi egbu, I were kwa ọbara-Gi gbatara Chineke madu si n'ebo nile ọ bula, na asusu nile ọ bula na mba nile ọ bula puta" (Nkpughe 5:9).

Lee otú anyị kwesịrị inwe ekele na Chineke ga-ezite nááný otù Ọkpara Ya ịnwụ ọnwụ n'ihi mmehie anyị, na ísíkwa na ndị nwụrụ anwụ bilie ọzọ n'ihi nzọpụta anyị! Anyị bụrị ndị mmehie, nwere onyinye "Nwaaturu" nke zuru ókè n'ụzọ ọ bụla, zukwa ezu n'ihe niile!

**Ocheeze Chineke**

Dịka Jọn nọ ná ekiri ọtụtụ ihe ebube n'Ụbọchị Onyenweanyị ahụ, n'àgwàetiti Patmọs ahụ tọgbọrọ n'efu, ọ hụrụ Ocheeze Chineke na Otù Onye ná-anọkwasị n'elu Ocheeze ahụ. Ọ bụ nnọọ ihe mara mma nke ukwu, dịka ọtụtụ nkume dị óké ọnụahịa. Na gburugburu Ocheeze ahụ enwekwara eke na ogwurugwu(rainbow). Ndị okenye iri abụọ na anọ (24) nọdụkwara ala na gburugburu Ocheeze ahụ, bụ ndị egbokwasịrị uwe ọcha; ha kpukwa okpu ọlaedo n'isi ha.

Lee, otú ọ ga-adịworị Jọn, onye ewedara n'ala chụpụ kwa achụpụ nọ nááný ya, ịhụ ebube Ocheeze nke Chineke! Lee, ụdị nsọpụrụ apụrụ ime ka ọ bịakwasị mmadụ dị ndụ!

Site na mgbe ruo na mgbe ndị okenye iri abụọ na anọ ahụ ga-ada kwa n'ala n'iru Onye ahụ nke ná-anọkwasị n'Ocheeze ahụ, Onye ahụ, ná-enweghị obi abụọ, bụ Chineke Nna. Ha ga atụda kwa Okpueze ha n'iru Ocheeze ahụ ná-asị, "Gị, Onye-nwe-ayi na Chineke ayi, I kwesiri inara otuto nile na nsọpuru nile na ike nile: n'ihi na Gi Onwe-Gi kere ihe nile, ọ bu kwa n'ihi Ọchịchọ-Gi ka ha diri, ka eke-kwa-ra ha èkè" (Nkpughe 4:11).

**Akwụkwọ Ahụ Ákàrà Ákàrà**

N'aka nri Chineke n'elu Ocheeze ahụ ka Akwụkwọ dị, nke edere yarị ihe n'ime na n'azụ. Ejikwa akárà asaa kachie ya.

Ka Jọn na-ele ya anya, otù mmụọ ozi dị ike were óké olu kpọ mkpu sị, "Ònye kwesiri iseghe akwukwọ ahu, na inyawapu akàrà-ya?" (Nkpughe 5:2).

Ọ dịghi kwa onye ọ bụla dị n'elu ụwa, ma ọ bụ n'Eluigwe pụrụ ịsaghe Akwụkwọ ahụ na ịgụ ya -- ma ọ bụ ile ya anya. Jọn kwara ákwá nke ukwu mgbe á na-achọpụtaghị onye ọ bụla n'etiti ụmụ mmadụ pụrụ ịsaghe Akwụkwọ ahụ. Ị kwatụla ákwá ịmata uche Chineke, ma ñụrịa kwa ọñụ na mgbe O kpugheere gị ya ka ị ghọta?

Mgbe Jọn n'ákwá ákwà, otù nime Ndị okenye ahụ sịrị ya, "Akwala ákwà: le, Ọdum ahu Nke si n'ebo Juda puta, Onye bu Nkpọrọgwu nke Devid, O kwesiri, isaghe akwụkwọ ahụ na akárà-ya asaa" (Nkpughe 5:5).

**Otuto Nye Nwa-atụrụ Ahụ**

Jọn hụrụ Jisọs dịka Nwa-atụrụ egburu egbu, ka Ọ na-eguzo n'etiti Ocheeze ahụ na etiti Ndi-okenye ahụ. Ọ bịara nara Akwụkwọ ahụ n'aka Onye ahụ Nke ná-anọkwasị n'Ocheeze ahụ. Nke a kpasuru óké ọñụ mbuli elu na otuto. Ndị okenye iri abụọ na anọ ahụ wee daa n'ala ná-akpọ isi ala nye Ya. Ha niile nwere ụbọ ákwárà eji ọlaedo mee, na ọkwa eji ọlaedo mee nke jupụtara n'ihe nsure ọkụ ná-esi ísì ụtọ, nke bụ ekpere ndị nsọ. Tule ya! Na apụrụ itinyekọta ekpere ahụ ị na-ekpesi ike n'ụdị okpukpé otuto nke a dị ebube nye Onyenweanyị! Ka ndị okenye ahụ na-akpọ isi-ala, ha bụrụ abụ̀ ọhụụ ná-asị, "I kwesiri inata akwụkwọ ahụ, na isaghe akàrà-ya:… I we me ha ka ha buru ala-eze na ndi-nchu-àjà nye Chineke-ayi; ha bu kwa eze n'elu uwa" (Nkpughe 5:9, 10).

Ndị okenye iri abụọ na anọ ahụ ná-arụghị ụka bụ ndị nọchitara anya ndị nsọ ahụ ewelikọrọ elu izute Onyenweanyị na mbara eluigwe, ebe agbapụtara ha site ná ndị niile ọ bụla na mba niile ọ bụla. Ha ga-achị eze n'elu ụwa, nke bụ mkwà enyere ndị-nsọ ndị ga-arịgo izute Onyenweanyị ná Mwelikọ ahụ. Ha ga-eso Ya laghachi kwa soro kwa Ya bụrụ eze n'elu ụwa nke a otù puku arọ (Ọchịchị nke nnù arọ abụọ na ọgụ iri -- Ọchịchị udo).

Ònye bụ onye ná-agaghị enwe mmetụta ịbụ abụ̀ otuto nye Chineke ná-enwe olileanya dị otú a? Onye Kraist bụ onye nwere ọñụ; mgbe ụfọdụ ọ na-anata ndetu ire ihe nke eluigwe, ọ na-enwe kwa olileanya ịhụ Jisọs na isoro Ya bụrụ eze.

Mgbe ndị okenye ahụ na abụ abụ̀ ahụ, olu ọtụtụ ndị mmụọ ozi na óké igwe mmadụ á na-apụghị ịgụta ha ọnụ, bụ ndị agbapụtara soro ná-asị, "Ọ kwesiri, bu Nwa-aturu ahu Nke egbuworo egbu, inata ike nile, na àkù, na amam-ihe, na ume, na nsọpuru, na otuto, na ngọzi" (Nkpughe 5:12). O we dịka ụwa niile o soro n'etò Nwa-atụrụ ahụ.

**Adịghị Ike Nke Mmadụ**

Lee ka ịbụ abụ̀ na itò Chineke anyị n'ụzọ kachasị mma ugbu a siri dị ná-enwghị ike na etorughị etoru ma ewere ya tụnyere óké ọhụ̀ ahụ Jọn hụrụ! Ọ bụrụ na ihe niile ekèrè èkè dị n'Eluigwe ejikọta ọnụ ná-atụfughị oge, n'ịsọpụrụ Nwa-atụrụ Chineke, òlee otú o si bụrụ na ndịkom na ndịnyom, ụmụ okorọbịa na ụmụ agbọghọbịa, adịghị enye Chineke otuto ruuru Ya ugbu a? Ndị bụ ndị nke Kraist na-agbalị itò Chineke, kama ọtụtụ mgbe ha na-achọpụta na ọ na-esiri ha ike ikwupụta mmetụta dị n'ime obi ha. Ndị ahụ ná-abụghị ndị nke Kraist adịghị ahụ ịdịmma n'ebube Chineke.

Oge na-abịa mgbe ikpere niile ọ bụla ga-egburu Chineke (Aisaia 45:23). Ọ dịghị ọñụ ebube ma ọ bụ olileanya ga-adịrị onye ahụ á ga-amanye n'ike ka o gbuo ikpere ma kpọ isiala. Ọ ga-abụ náání ụjọ na óké egwù, na nghọta na mkpụrụobi ya alawo n'iyi, na kwa ọ ga-abụ onye nketa nke ọnwụ nke abụọ ahụ, bụrụ kwa onye ékèwapụrụ site n'ebe Chineke nọ ruo mgbe ebighị ebi.

Ka anyị chọọ, ma kpọ kwa isi n'ala, sọpụrụ ma hụ kwa Kraist, Nwa-atụrụ ahụ, bụ̀ Onye-nzọpụta anyị agọziri agọzi n'anya. Ka anyị nye Ya ndụ anyị niile, talent anyị niile; ka anyị bukuo Ya abụ̀ ma to kwa Ya. Ka anyị gbalịa iso n'ime ọnụ ọgụgụ ahụ ndị ga-eso Ya laghachi ịchị dịka eze na ndị nchụàjà n'elu ụwa nke a otù puku arọ, ma nọnyekwara Ya ma emesịa, ruo ebighị ebi niile.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Òle mgbe ka arọpụtara Jisọs ịbụ Nwa-atụrụ Chineke?
2. Gịnị bụ okwu Jọn Onye ọwụ-mmiri banyere Jisọs dịka Nwa-atụrụ Chineke?
3. Kọwa Akwụkwọ ahụ nke Onye ahụ ná-anọkwasị n'Ocheeze ahụ ji n'aka nri Ya.
4. Ọbụ n'ihi ndị òle ka ha na-achọrị imeghe Akwụkwọ ahụ?
5. Gịnị ka otù nime ndị okenye ahụ gwara Jọn mgbe ọ na-ákwá ákwá?
6. Gịnị bụ ọkwa ndị ahụ jupụtara n'ihe nsure ọkụ ná-esi ísì ụtọ?
7. Gịnị ka ndị okenye ahụ mere mgbe Nwa-atụrụ ahụ naara Akwụkwọ ahụ?
8. Ndị mmụọ ozi ha nyere aka ịbụ abụ̀ ọhụụ ahụ? N'ihi gịnị?
9. Ọ bụ ndị òle ka ndị okenye ahụ na-anọchite anya ha?